MMETỌ ỤMỤ AKA N'ALA IGBO DỊ KA MGBOCHI NYE NTOLITE HA

Si N'Aka
Chiamaka Patience Ilechukwu
Nnamdi Azikiwe University, Awka
cp.ilechukwu@unizik.edu.ng

Na
Daniel Ihunanya Ilechukwu
Nnamdi Azikiwe University, Awka
di.ilechukwu@unizik.edu.ng

Ụmị edemede
Steet Anambra dị n'ala igbo nke dị n'ọdịda anyanwụ nke Naịjiria. Ndị Igbo bụ ndị a maara dị ka ndị na-ahụ ụmụaka n'anya. Ụmụaka ndị a na-adabere na nne na nna ha, ndị nkụzi na ndị ezi na ụlọ maka ihe ọ bụla na-akpa ha. Mmekọrịta a ụmụaka, nne na nna ha na ndị ọzọ na-enwe na-emetụta ihe niile banyere ha, otito ha, echiche ha, nsirihụ ndụ ha, mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha dg. ụfọdụ nne na nna n'iji zụpụta ụmụ ha na-emerụ ụmụ aka ahụ n'ihi ụdị ntaramahụhụ ha na-enye ụmụ aka. N'ala Igbo, ọ na-ahịa ndị nne na nna ahụ na ndị okenye ndị ọzọ so azụ ụmụ ntakịrị ahụ ịchọpụta ihe bụ mmetọ na ụdịdị mmetọ dị iche iche. Ụfọdụ ụmụ aka n'ala Igbo gabịgara mmetọ na-ezipụta otu ma ọ bụ ọtụtụ n'ime akparamagwa a ga-ezipụta na nchọcha a. Nchọcha a ga-enyere nne na nna na ndị ọzọ na-azụ ụmụ aka aka ichọpụta ihe ndị a.
Okwu dị mkpa: mmetọ ụmụ aka, akparamagwa, ala Igbo

Ọkpụrụkpụ okwu: mmetọ ụmụ aka, njirimara, ala Igbo, steet Anambra.

1.0 Okwu mmalite

Steet Anamabra dị n'ala Igbo nke dị n'ọdịda anyanwụ nke Naịjiria. O bụ ezi na ụlọ dị iche iche mebepụtara ala Igbo, ọ bụ ezi na ụlọ ndị a na-emebe ụmụ nna na obodo, ebe obodo dị iche iche na enwe ogbe ndị mejupụtara ya. Ihe mebere ezi na ụlọ onye Igbo bụ ezi naụlo otu mkpuke, ụbara mkpụke na ezi na ụlọ mbisa. Ezi na ụlọ bụ mmalite ndụ onye Igbo ọ bụla, ọ na-atụnyekwa ọtụtụ ihe n'ịzụlite nwatakịrị. Ezi na ụlọ na-azụlite nwata ka ọ o wee nwee ike ị kwụrụ onwe. Ọtụtụ mgbe e nwere iwu ndị na-achịkwa ụmụ aka nke ụfọdụ n'ime ha so n'ụzọ mmetọ ụmụ aka. Ọtụtụ mgbe ndị nne na nna na ndị ọzọ na-azụ ụmụ aka na-agafe oke mgbe ha na-achọ inye ụmụ aka ntaramahụhụ nke na-emetụta omume na mmetụta nwata ahụ. Otu ihe pụtara ihe bụ na ọzụzụ adabaghị adaba n'ala Igbo na-eweta mmetọ n'ebe ụmụ aka nọ. Nke a juputara n'ala Igbo ma bụrụ nke a naghị etinye anya na ya (Ayinmode & Adegunoye 2011) mana n'oge

a, ndị mmadụ ebidola tinyewe anya na ya. Mmetọ na mgbahapụ ụmụaka anatala ntinye anya anya gọọment na ụlọ ọrụ na-ahụ maka nchekwa ndụ dị iche iche. Ụfọdụ ndị nchọcha na ndị nwere mmụta n'ihi banyere omume na echiche e meela nchọcha na nke a iji chọpụta ntọala mmetọ ụmụ aka, ihe ndị na-akpata ya na ihe ndị ọzọ gbara ya okirikiri nakwa nsogbu ọ na-ebute nye agụmakwụkwọ ụmụ aka ndị dị otu a ọ kachasị dị ka o si metụta ụmụ aka ndị nwaanyị, mana o nwebeghi nke m hụrụ e mere n'isiokwu a. Malite n'afọ 1960, enweela ọtụtụ atụtụ ewepụtara iji kọwaa mmetọ ụmụ aka dị ka psychodynamic ma ọ bụ psychopathology, atụtụ social learning, atụtụ attachment, ecological models, strnghths and resilience framework na atụtụ social information processing. (Schelbe & Geiger, 2017).

2.0 Ntụleharị Agụmagụ

Mmetọ ụmụ aka abụghịzi ihe ọhụụ na ndụ a. ọ bụ ihe a na-ahụ ebe nile na n'ogogo niile. A na-ahụ ya na be ogbenye na-ahụ ya na be ọgaranye, be onye gụrụ akwụkwọ na be onye agụghị akwụkwọ. Ndị nne na nna na-emerụ ụmụ ha n'ụzọ dị iche iche; ime ka ha lubiga ọrụ ugbo oke, ma ọ bụ zubiga ahịa oke, ma ọ bụ pịtọọ ha ebe e che na a na-emere ha ebere, imekpa ụmụ aka akpọtara dị ka odibọ ahụ nakwa idina ụmụ aka n'ike. Alpebende, Umoren, Ukpebi & Ndifon (2010)

Altafin & Linhares (2016) kọwara mmetọ ụmụ aka dị ka mgbe nne na nna ma ọ bụ onye nlekwata nwata sitere n'akparamagwa ya (dị ka iti ihe, ịma ihe) butere nwata ahụ mmetọ ahụ, ọnwụ, nwute dg. Mmetọ na-apụta ihe n'ụzọ dị iche iche dị ka imerụ ahụ, idina nwata n'ike, ịnara nwata ihe ya n'ike, igbu mmụọ nwata dg.

Imerụ nwata n'ụdị ma ụdị ọ bụla nwere nnukwu ihe ịma aka n'ihu nye otito nwata nakwa ọdịnihu nwata ahụ, ọ na-ebutekwa ndaghachi azụ n'agụmakwụkwọ nwata ahụ, mmekọrịta ya na ụmụ aka ibe ya na ihe niile banyere ndụ ya (Foster na ndị ọzọ; 2017). N'ịgbakwunye ihe na nke a, (Currie na Widom 2010) kwuru na mmetọ nwata gabigara nwere ike ịmetụta ndụ ya n'ụzọ dị njọ ụbọchị ndụ ya niile, rukwaa ka o mere okenye dị ka ọrịa na-esite na mmekọ nwoke na nwaanyị, obi ịjụ oyi, enweghi anụrị, enweghi mmasi na mmekọrịta.

Imerụ ụmụ aka bụ otu n'ime nnukwu nsogbu gbara ọkpụrụkpụ na steet Anambra nakwa n'ala Igbo na mba ụwa gbaaa gburugburu. Mmetọ ụmụ aka na-emetụta ma nwata emerụrụ, ezi na ụlọ ya, obodo ya na ọha na eze gbaa gburugburu. Ọ bụ n'ihi nke a ka ọtụtụ ndị na otu dị iche iche na ọtụtụ ndị ode ji etinye ya anya. Urie Bronfenbrenner na (Schelbe & Geiger 2017) edeghi maka mmetọ ụmụaka mana atụtụ ya gosipụtara ihe ndị a na-ahụ anya dị ka

ịghọta ọzụzụ, mmekpa ahụ ụmụ aka na nhafe mmekpa ahụ ụmụ aka site n'ọgbọ rue n'ọgbọ bụ ihe ndị ga-enye aka n'ihazi ajụjụ nchọcha, usoro nchọcha na nseke nchọcha.

Atụtụ a nyere aka ịghọta ihe niile banyere ụmụaka, mmebe na otito ha, chọpụta ihe gburugburu nwere ike ime na ndụ nwata ma nye aka ịghọta nsogbu imerụ ụmụ aka. Ụmụ aka na ndị di iche iche na-enwe mmekọrịta n'ogogo ma ọ bụ ọnọdụ dị iche iche. N'ala Igbo, mmekọrịta ndị a nwere ike ị bụ nke a na-ahụ n'ezi na ụlọ, agbataobi, ụlọ akwụkwọ, obodo, omenala na ọha na eze. Mmekọrịta ndị a nwere ka o si emetụta echiche, omume na mmụọ ụmụ aka. Nke a mere na mgbe emerụrụ nwata, ọ na-ezipụta ụfọdụ akparamagwa na omume dị aṅaa. Ụfọdụ n'ime akparamagwa ndị a a ga-ezipụta na nchọcha a ga-enyere ndị nne na nna aka na ndị okenye ndị ọzọ ịchọpụta akparamagwa na omume ndị a ụmụ aka na-ezipụta mgbe ha gabigara mmetọ.

2.1 Njirimara nwata gabigara mmetọ

Ụmụ aka emerụrụ emerụ na-ezipụta akparamagwa dị iche iche n'oge dị iche iche site n'ụdị mmetọ ọ gabigara na gburugburu a nọ merụ ya. Ndị na-arụ na ngalaba na-ahụ maka omume na akparamagwa mmadụ n'ụlọ ọgwụ wepụtara ụzọ akparamagwa na njirimara itoolu e ji achọpụta ụmụ aka emerụrụ emerụ. Ha gụnyere; enweghi mmasị n'ụwa a/ndụ, enweghi nkwenye n'onwe, nhịamahụ n'ịmụta akwụkwọ, ịnọrọ onwe, ịgba mgba, ike nkwụcha, inwe aka ike, ịkpa agwa okenye ezighi ezi. Nchọcha a agaghị eleba anya na ihe ndị metụtara ụbụrụ dị ka o si metụtụ mmetọ, ọ bụ nanị n'akparamagwa pụtara ihe a na-ahụ n'ụmụ aka emerụrụ emerụ n'ala Igbo.

2.1.1 Iwe ọkụ

Ndị ọmụmụ maka akparamgwa na omume mmadụ na-akọwa na iwe ọkụ dị n'ụzọ abụọ, nke mbụ nke iyi egwu, nkụda mmụọ ma ọ bụ mkpasu iwe nwere ike iwete ebe nke ọzọ bụ nke a kpacha anya iji wee nweta ihe a na-achọ. Iji ọmụmatụ kọwaa ya, na nke mbụ, mgbe e yiri nwata egwu, o wee iwe ma meghachi onye mere ya ihe o mere ya, ebe nke abụọ bụ mgbe nwata ji anya ike megide ụmụ aka ndị ọzọ. (Ford et al., 2010) .ihe nke a gosiri bụ na ụmụ aka emerụrụ nwere nnukwu ohere iwe iwe ọkụ. Ụfọdụ n'ime ụmụ aka emerụrụ emerụ bụ ndị mụtara iwe ọkụ na mmalite ndụ ha site n'akparamagwa nne na nna ma ọ bụ ndị ndu ha na iji ụzọ ekwesighị taa ụmụ aka ahụhụ, nke a ga-emezi na ụfọdụ ga na-eji aka ike ma ọ bụ iwe ọkụ were eso ma ọ bụ edozi okwu dapụtara ya na nwata ibe ya. Nke a mere na ha na-eji iwe na okwu ọjọọ emeso ụmụaka ibe ha omume karịa ụmụ aka agabighaghị mmetọ. Ha na-ejikwa iwe eso egwuregwu nkịtị ndị ọgbọ ha gwusaara ha. Nchịkọta ihe niile bụ na ụmụ aka emerụrụ emerụ ji iwe emeso onye ọ bụla omume, ma ndị ezi na ụlọ, ndị enye na ndị ọgbọ ha.

2.1.2 Enweghi nkwenye n'onwe

Otu n'ime ihe mmetọ ụmụ aka na-ebute bụ enweghi nkwenye n'onwe. Ọ dị mma ka anyị cheta na inwe nkwenye n'onwe so n'otu ihe na-enyere nwata aka ito nke ọma. Enweghi nkwenye n'onwe bụ mmadụ inwe echiche dị iche iche ma nke ọjọọ ma nke ọma gbasara ndụ ya. Ọ bụ ụzọ mmadụ si akpọ onwe ya asị, ịsọ onwe, ịjụ onwe na ịgbahapụ onwe nke na-eme ka mmadụ hụta onwe ya na o nweghi ihe ọ pụrụ ime n'ụwa, na ọ bụ onye dara ada (Gerber 2001). Enweghi nkwenye n'onwe na-eme ka ụmụ aka hụta ọnọdụ ọ bụla ha nọ na ya adighị mma n'ụzọ jọrọ njọ karịa nke ukwuu. E lee anya nke ọma na nsogbu enweghi nkwenye n'onwe, a chọpụtara na ụmụ aka emerụrụ emerụ na-ahụta onwe ha dị ka ndị nne na nna ma ọ bụ ndị ndu na ndị okenye ha na ha bi ahụghị n'anya n'ihi na ha kweere na ọ bụrụ na ha hụrụ ha n'anya na ha agaghị ekwe emerụọ ha. Ụdị mmetọ nwata gabigara na-ewetekwa ogogo enweghi nkwenye n'onwe ọ ga-ahụta inwe ya na ya. Ịma atụ; ụmụ aka emerụrụ site n'idina n'ike na-aka enwe enweghi nkwenye n'onwe karịa ndị ọzọ, ha na-ahụ onwe ha ka `ndị enweghi uru ha bara, ndị ọ bụ nanị ihe ha dị mma ya bụ idina n'ike. Ụfọdụ na-ahụta onwe ha dị ka ndị adighịzi ndụ, anaghị ahụ anya n'ihi na o nweghi onye chọpụtara ihe ha na-agabiga ma ọ bụ zọpụta ha n'aka ndị na-edina ha n'ike ọ kachasị ọ bụrụ na mmetọ ahụ emeela ọtụtụ ogologe oge. Nwata emerụrụ emerụ site n'idina n'ike na-ahụta onwe ya dị ka onye etozughi oke, enweghi uru ọ bara, ekwesighi igosi ịhụnanya na nleru anya (Wickham & West 2002).

N'ala Igbo, ụmụ aka emerụrụ emerụ site n'idina n'ike anaghị nkwenye n'onwe tinyere na ha anaghị enwenwu mmekọrịta n'etiti ha na ụmụ aka ibe ha otu a ka ọ dịkwa n'ebe ụmụ aka ndị ọzọ gabigara otu mmetọ ma ọ bụ nke ọzọ.

2.1.3 Ịnọrọ onwe

Ịnọrọ onwe bụ otu n'ime akparamagwa e ji amata nwatakịrị gabigara ma ọ bụ na-agabiga mmetọ. Ọ na-achọ ịnọrọ onwe ya mgbe ọ bụla, ọ naghị achọ ka ya na ezi na ụlọ, ụmụ akwụkwọ na ndị ọgbọ ya nwee mmekọrịta n'ụdị ọ bụla. Ọ naghị achọ ị nọ ebe igwe mmadụ nọ ma gbanaghị ihe ọ bụla ga-eme ka ọ pụta n'igwe n'ihi na o kwenyere na ọ bụrụ na o nwee ka o si ghara imetenwu ihe a tụrụ anya n'aka ya na ọ ga-ebutere mmetọ ọzọ. {nọrọ onwe nwere ike ị bụ nke ime mmụọ ma ọ bụ nke a na-ahụ anya. Ụdị mmetọ nwata gabigara na-atụnye ụtụ na etu o si achọ ịnọrọ onwe ya. Ụfọdụ nne na nna na-emerụ ụmụ ha site n'oke mmekpa ahụ na eme kwa nke a site n'iji aka ike were azụ ụmụ ha. Nke a na-eme ka ihere na-eme ụmụ aka ahụ, ha na-achọ ịnọrọ onwe ha, nke a na-ebute ọtụtụ nsogbu nye ụmụ aka. Ha nwere ike si n'egwuregwu ma ọ bụ ihe ndị na-emebụ ha obi anụrị wezuga onwe ha. Echiche jọrọ njọ ha na-eche banyere onwe ha ga-eme ka mmụọ ha dị ala jụọ oyi, nke a ga-emekwa ka ụmụ aka ndị ọzọ ghara ịchọ ka ha ya nwee mmekọrịta. Mgbe ụfọdụ nwata ahụ nwere ike

gbanwee ndị enyi, merekwa enyị n'etiti nwere ụdị ajọ echiche o nwere banyere ndụ. (Ellsworth 2007).

Ịnọrọ onwe a na-apụta ihe n'ụdị n'ụdị site n'ụdị mmetọ onye ahụ gabigara, ụfọdụ anaghị achọ ka mmadụ bịa ha nso, ebe ụfọdụ anaghị achọ ka mmekọrịta miri emi n'etiti ndịn okenye ma ọ bụ ụmụ aka ibe ha nọ ọ kachasị ndị gabigara mmetọ idina n'ike. Nwata iwezuga onwe ya pụọ n'ihe na-eme n'okirikiri ya bụ otu n'ime njirimara e ji amata ụmụ aka gabigara mmetọ na steet Anambra. Ụmụ aka ndị a na-eche na ihe kasị mma bụ iwezuga onwe ha n'ihe na-eme n'akụkụ ha ma kwụsị isonye na ihe ọ bụla ụmụ aka ibe ha na-eme mana ha amaghị na nke a ga-eme ka nsogbu ha jọọ njọ karịa ma weta ndaghachi azụ n'otuto ha.

2.1.4 Ike nkwụcha

Ụmụ aka gabigara mmetọ na-eke nkwụcha mgbe ọ bụla. Ha na-eke nkwụcha oge ọ bụla ịchọpụta ebe ihe egwu/mmetọ nwere ike isi bịaru ha nso. Ụmụaka gabigara mmetọ idina ha n'ike na ahụta onwe ha dị ka ndị anụ ahụ ha nwere nsogbu, ha na-anọ n'egwu mgbe ọ bụla. Nke a na-eme ka ọ nọrọ na nkwụcha na ụjọ mgbe ọ bụla ịmata mgbe ihe egwu ji abịa ma mgbe ọ nọ ebe ihe egwu ga-eme ya ma mgbe ọnọghị (Wickham & West, 2002). N'oge dị ka oge a nwata ahụ na-agba mbọ ịzọpụta onwe ya n'ihe dị ka a ga-asị na o kweghi omume, iji gbanarị mmetọ ọzọ n'ọdịnihu. Ike nkwụcha dị ka Krill (2005) si chọpụta nwere ike ị pụta ihe n'ụzọ ndị a; ahụ ịma jijiji, oke nchekasị, iche na mmadụ na-ele ya anya mgbe ọ bụla, iche na onwere ihe ọjọọ na-achọ ime, amaghị ihe onye ọzọ na-eche maka ya ọ kachasị onye na-emerụ ya, ilegharị anya n'azụ ma ọ bụ okirikiri ya na ahụ ya oge ọ bụla,, ịgba mbọ hụ na ụzọ mechiri emechi oge ọ bụla, , ị ma ebe ndị nọ ya okirikiri gara, ịgbanahụ ibi ọma, mmetụ aka n'ụdị ọ bụla, mmekọ nwoke na nwaanyị, arahụghị ụra nke ọma na ike nkwụcha mgbe a na-arahụ ụra, ya bụ otu anya mechiri emechi ebe nke ọzọ ghe oghe. Nwata ọ bụ nne ma ọ bụ nna ya na-emerụ eneghi ebe ọ ga-agbaga nke a na-eme ka ọnọdụ ya jọnyewakwuo njọ. Mmetọ abụghị ezigbo ihe, ọ bụghkwa ihe nwata na-ebunwu nanị ya, nke a mere na ụmụ aka na-agabiga mmetọ na-achọ ụzọ ha ga-esi kwụsị ya ka ọ ghara I mere gaa n'ihu.

2.1.5 Mkpọghachi echiche azụ

Mkpọchaghachi echiche azụ bụ mmadụ icheta ihe ndị mere ya n'oge gara aga nke mmetụta ya nwere ike ị nke ọnụ, iwe, mwụte, arịrị dg. mkpọghachi echiche azụ bụ ihe ụmụ aka gabịgara mmetọ na-ahụtakarị onwe ha na ya mgbe ọ bụla, mgbe nke a mere ọ na-a bụ ọgbatụhie nyere ihe ọ bụla ha na-eme ma ọ bụ chọrọ ime. Mkpọghachi echiche a na-eme ka ọnọdụ ha jọwanye njọ. (Musicar & Josefowitz 1996).ụmụ aka emerụrụ na-abụ ha nọkata ha echeta mmetọ dị iche iche ha gabigara nke a na-emetụta ha n'ụzọ pụrụ iche ma na-ewetere obi ọjọọ na iru ụjụ. Mgbe ha chetara ihe ndị ha gabigara ha na-anọ n'ịgba n'ime onwe

hs iji wee pụọ n'ihe ha hụrụ onwe ha na ya. Ọ na-eme ka mmụọ ha jụọ oyi. Ọ na-eme ka ha zere ụfọdụ mmadụ na ụfọdụ ebe iji wee mara ma ha ga-echefu ụfọdụ ihe. Ọ na-eme ka mmetọ ahụ dị ọhụụ n'obi ya. Ọ na-emekwa ka ha nọrọ n'egwu, ghara inwe olile anya ma nwee mgbagwoju anya n'ụwa.

2.1.6 Echiche Igbu onwe

Ọ dị ọtụtụ akparamagwa ndị mmadụ na-etinye onwe ha na ya mgbe ike ụwa gwụrụ ha iji wee mee ka ọnwụ ha dị nso, dị ka ịṅụbiga mmanya oke, ise ihe osise dg. Echiche mmetọ ha gabigara na-eme ka ụmụ aka dị otu a na-eche nanị echiche ihe ha ga-eme ka ha wee nwụọ si n'ụwa a pụọ. N'ihi na echiche ha bụ nke juputara n'ụjọ, enweghi olileanya, ihe na-agbata ha nobi mgbe ọ bụla bụ ka ha nwụọ, ọ kachasị mgbe ọ gbalịrị ọtụtụ mgbe I si na mmetọ a pụta ma ọ mịtaghị mkpụrụ, nke a ga-eme ka echiche na nkwenye ha nile bụrụ na ọ bụ nanị ọnwụ bụ ụzọ mgbapụ. (Cutler, 2014).

Dị ka m kwuburu na mbụ, ụmụ aka gabigara mmetọ na-echekarị igbu onwe ha n'ihi na ha eneghi ihe na-enye ha ọnụ n'ụwa, echiche ha na-ejupụta n'ụjọ, enweghị enyemaka/olileanya, iwe na ihe ọjọọ ndị ọzọ. Ọ bụ echiche ọjọọ ndị a na-eme ka ha bido chebe maka iwere ndụ ha n'ihi na ọtụtụ n'ime ha hụtara ọnọdụ ha nọ na ya dị ka nke nkwụsị ma ọ bụ ụzọ mgbapụ. Nchịkọta echiche ha bụ na o nweghi ihe ha dị ndụ eme. Ụfọdụ mgbe ha na-ekwuputa ya bụ echiche ha ekwupụta n'ọnụ mana ọtụtụ mgbe ndị nọ ha okirikiri anaghị ege ntị ma ọ bụ nye ihe ha kwuru nghọta kwesiri ekwesị. Ụfọdụ n'ime okwu ndị a gụnyere: "ọ dị ka ya bụrụ na m nwụrụ anwụ", "ọ ga-akara m mma ịnwụ anwụ", "o nweghi ihe m dị ndụ eme". Ọ dịkwa mkpa ikwu na echiche igbu onwe na-aka apụta ihe n'ebe ụmụ aka gabigara mmetọ idina n'ike nọ karịa ndị ọzọ dị ka Altun (2018) siri chọpụta.

2.1.7 Enweghi mmasị na mmekọrịta

Mmekọrịta bụ mmadụ ime ka onye ọzọ mara ihe dị ya n'obi, mmetụta obi ya nke ga-eweta ịdị n'otu , mbịakọta na ezi mmetụta n'etit mmadụ na ibe ya. A naghị akọ akụkụ mmekọrịta n'ebe ndị gabigara mmetọ nọ, ọ kachasị mmetọ idina n'ike. Nke a sokwa na otu nnukwu nsogbu gbara ọkpụrụkpụ ndị mmadụ na-agabiga taa; ịgba alụkwaghịm, nkewa n'ezi na ụlọ dg. ga-atụnye anyị azụ nsogbu ndị gabigara mmetọ idina n'ike na-agabiga n'ihe gbasara mmekọ nwoke na nwaanyị

Mmekọrịta nyere ohere onye ọzọ ịbanye n'ime ndụ ime anyị na-ebi nke ga-eme ka e nwee mmekọrịta na mbịakọta ọnụ. Mgbe e merụrụ mmadụ,ọ na-ahịa ya ahụ ime nke a, ọ bụkwanụ n'ihi mmetọ ọ natara n'oge gara aga n'aka nne, nna, di, nwunye, ụmụ nne, agbata obi, ndị nkụzi, nwa odibọ dg. Nke a ga-eme ka ha na-atụ mmekọrịta egwu nke ukwuu. Ha na-agbanarị ọ bụ mmatụ aka nkịtị si

n'aka ndị enyi, ezi na ụlọ, di ma ọ bụ nwunye n'ihi na na ọ na-akpọghachi akọ na uche ha azụ n'ihe ndị mere ha n'oge gara aga, nke a na-ebute ogbochi nye mmekọrịta ha na onye ọzọ n'ọdịnihu dị ka Nielsen. Wind, Thomsen & Martisen (2018) siri chọpụta.

Ihe ọzọ dị mkpa ikwu bụ na ọtụtụ mgbe ndị gabigara mmetọ na-achọ mmekọrịta na ngosi ihụnanya mana n'ihi ihe ha gabigara, ha na-atụ egwu mgbe ọ bala a chọrọ igosi ha nke a. n'ihi enweghi mmekọrịta ha chọrọ bụ nke ha na-atụ egwu ya ma a chọọ igosi ha ya, ọ na-eme ka ha nwee agụụ mmekọrịta nke nwere ike iduba ha n'iji ngwa dị iche iche akwaso onwe ha ike iji nweta afọ ojojo. Ọzọ bụ na ọ na-eme ka onye ahụ na ezi na ụlọ ya ọ kachasi nne na ya ghara inwe ezi mmekọrịta, ụfọdụ anaghịkwa achọ ịmụta nwa n'ihi na-atụ egwu na ha agaghịekpuchinwu ụmụ ha pụọ na mmetọ ha gabigara, n'ihi nke a na ọ ka mma na ha amụtaghị nwa ga-agabiga ihe ha gabigara. Sanderson (2006)

2.1.8 Oke nchekasị

Ụfọdụ mgbe a hụ nwata na-agabiga mmetọ, a na-ewe ya ka onye ara ma ọ bụ onyeisi adịghị mma mana ihe anyị aghọtaghị bụ na nwata ahụ nọ n'oke nchekasị. Oke nchekasị bụ ihe n'esi n'ime mmụọ mmadụ pụta n'anụ arụ ya. Ọ bụ ihe na-apụta mgbe e yiri mmadụ egwu nke nwere ike ịgụnye ihe egwu ime mmadụ, enweghi enyemaka ma ọ bụ ihe a na-amaghị. Idina nwata n'ike dị ka Maniglio (2012) siri chọpụta na-ebute oke nchekasị n'ebe nwata ahụ nọ.

Oke nchekasị na ụjọ na-eyitewe mana oke nchekasị karịrị ụjọ, n'ihi na ọ kara dị mfe ị pụta n'ụjọ karịa oke nchekasị. Afọ ole ụmụ aka gbara so atụnye ụtụ n'etu ọ ga-esi na-ezipụta mmetọ, ụmụ aka pere mpe anaghị ezipụtakarị mmetọ ha na-agabiga n'ụzọ woro anya ka ndị bulitegoronu kama ha na-ezipụta ụfọdụ n'ime ihe ndị na-ezipụta oke nchekasị dị ka ịtụ mmadụ egwu, ịtụ ọchịchịị egwu, ịtụ anụmamụ egwu dg.(Freeman & Ronen 2007)

2.1.9 Enweghi mmasị ịlaghachị azụ ma akwụkwọ gbasaa.

Ọ dị mkpa ikwu na ụmụ aka gabigara mmetọ na-ezipụta mmetụta ha n'ụzọ dị iche iche mana na otu a chọpụtara bụ igbapụ ọsọ n'ụlọ ma ọ bụ enweghi mmasị ịlaghachi azụ n'ụlọ ma akwụkwọ gbasaa dị ka Hall, Williams & Elliman (2009) siri chọpụta. Ha na-ahụta ụlọ akwụkwọ dị ka ebe mgbapụta ha n'agbanyeghi na ụfọdụ n'ime ha na-achọ ịhụ nne ha ịhụ na ọ nọ n'ọnọdụ dị mma, n'ihi na ha kwenyere na ọ bụ nna ha bụ nsogbu ha nwere. Ụmụ aka ndị a na-achọ ka gbuo oge n'ụlọ akwụkwọ tupu ha alaa, ha ga-ama ụzọ wee bịa ma bụrụ ndị ikpe azụ ga-ala. Ọ ga-achọ ịnọgide ka ji malite iji ọ bụrụgodu na o butere ya ntaramahụhụ n'ụlọ akwụkwọ, ọ na-ahụta ya na ọ kara yam ma karịa ịlaghachi azụ n'ụlọ McGee (2000).

Otu ajụjụ anyị ga-ajụ onwe anyị bụ gịnị kpatara o ji ahịa ụmụ aka ahụ ịlaghachi azụ na be ha ma akwụkwọ gbasaa. Ọ dị ọtụtụ ihe nwere ike ibute nke a. ụfọdụ ụmụ aka na-ahụta ezi na ụlọ ha dị ka ebe enweghi nwereonwe, ebe a na-ekekpa ha nke ukwuu, onye nne na nna ya gbara alụkwaghị m, onye ọ bụ ya na nwunye nna ya ma ọ bụ di nne ya nke ọ na-ahụghị n'anya bi. na nchịkọta otu ihe doro anya bụ na ụmụaka na-agbapụ n'ezi na ụlọ mgbe nne na nna ma ọ bụ onye na-eloda ha anya na-emerụ ha. Ụfọdụ mgbe a sị ha si n'ụlọ akwụkwọ laa, ha agaghị ala kama ha a na-akwụgharị n'okporo ụzọ, bụ nke nwere ike itinye ya n'ịmụta ụmụ nkịrị nka agwa a na-ahụ n'ime ụmụ aka n'akwụgharị n'okporo ụzọ na-ezipụta. ịma atụ; ụfọdụ ụmụ aka edinara n'ike n'ekpebizi I biri ndụ akwamiko gawa, nwekwazie mmasị na ya. Ụfọdụ na-abanye n'ịgba akwụna n'ihi na ha hụtara ya dị ka ụzọ ha ga-esi na-akpata ihe ha ga-eri, ṅụọ ma yie, ọ kachasị ndị a na-enye o bere onyinye dị ka ihe nracha ma ọ bụ ihe enweghi isi mgbe e dinasịrị ha n'ike.

Ọ dịkwa mkpa ikwu na ụmụ aka nọ n'ụdị ọnọdụ a, mgbe ụfọdụ amnaghị enwe mmasị ị bịa akwụkwọ n'oge n'ihi ike ọgwụgwụ, iwe, enweghi mmasị dg. ha na-akpachapụ anya mgbe ha na mmadụ na-akpa nkata, ha anaghị ege ntị na klas. Ọ bụrụ na onye nkụzi chọpụtagodu mgbanwe dị otu a, ha anaghị ekwe ekwuputa ihe ha na-agabiga.

3.0 Nchịkọta

Ọ na-ahịawaga ụmụ aka emerụrụ emerụ ahụ, na-atụ ha egwu ma na-eme ihere imepe ọnụ kọọrọ onye ga-azọpụta ha ihe ha gabigara ọkachasị na steet Anambra. ị mata njirimara ụmụ aka gabigara mmetọ ga-enye aka ị mata nwata na-agabiga ihe mgbu nke mmetọ. N'agbanyeghi na ụfọdụ nne na nna anaghị elerụ ụmụ ha anya otu o kwesiri bụ nke na-ajụ mmụọ ụmụ aka ndị a oyi ị me ka ha mara ihe ha na-agabiga. O kwesikwara ka anyị mata na ọ bụghị mmetọ nile nwata na-agabiga ka ị ga-achọpụta site n'akparamagwa a hụrụ anya. Nke a na-enye nsogbu ị chọpụta ụdị mmetọ nwata na-agabiga. Na nchịkọta ọ dị mkpa I kwu na ọ bụ ọrụ dịịrị nne na nna, ndị ndu, ndị nkụzi ilekọta na ikpuchite ụmụ ha ka ha ghara ịdaba na mmetọ. Iji mee nke a, nne na nna ga-agba mbọ mụọ ụmụ ha dị ka akwụkwọ, ghọta nwata ahụ ka ọ ga-abụ o nwee ka mmiri siri baa opi ụgbọgụrụ, ha achọpụta ọsọsọ ma mee ihe kwesiri ka ha mee. Ọ dị mkpa ka ndị nne na nna na-ege ụmụ ha ntị, were anya na-agwa ha okwu, chọpụta ihe nwata na-ekwu n'ejighi iwe na ọnụma n'ụzọ dị nwayọọ dị ka (Goldman, Hain & Liben 2012) siri chọpụta.

Edensibịa

Altafim, E.R.P., &Linhares , M.B.M., (2016). Universal Violence And Child Maltreatment Prevention Programs For Parents. A Systematic Review. Psychosocial Intervention, 25(1), 27-38

Altun, H. (2018). Assessment Of Depression Level, Suicidal Thoughts, And Suicide Attempts In Childhood Seụual Abuse. *Psychiatry and Behavioral Sciences, 8*(3), 111-117.

Ayinmode, T., & Adegunloye, O. (2011). Parenting Style and Conduct Problems in Children: AReport of Deliberate Self-Poisoning In A Nigerian Child. *SAJP, 17*(2), 60-63.

Apebende, E.E., Umoren, G.,Ukpebi, B., & Ndifon, R.A.(2010). The Influence Of Child AbuseOn The Academic Performance Of Primary School Pupil In Cross River State, Nigerian (Ihu 470-478) In African Research Review, An International Multi-Disciplinary Journal, Ethiopia. Vol. 4(1) January 2010. ISSN: 2017-0083 (Online)

Currie, J., & Widom, C.S., (2010). Long-Term Conseọuences of Child Abuse and Neglect OnAdult Economic Well-Being-Child Maltreatment, 15(2)

Cutler, J. (2014). *Psychiatry*. Oxford: University Press.

Gerber, C. (2001). *Christ-Centered Self-Esteem: Seeing Ourselves Through God's Eyes.*Missouri: College Press.

Foster, R.H., Olson-Dorff, D., Reiland, H.M., &Budzak-Garza, A., (2017). Commitment,Confidence and Concerns. Assessing Health Care Professionals' Child Treatment Reporting Attitudes, Child Abuse and Neglect, (67) (54-63).

Goldman, A., Hain, R., & Liben, S. (2012). *Oxford Textbook of Palliative Care for Children.*Oxford: University Press.

Krill, W. (2005). *The Gentling Workbook For Teen And Adult Survivors Of Child Abuse.*London: Loving Healing Press.

Maniglio, R. (2012). Child Seụual Abuse in the Etiology of Anụiety Disorders: A SystematicReview of Reviews. *Trauma, Violence, & Abuse, 14(*2) 96-112.

Mcgee, C. (2000). *Childhood Experiences of Domestic Violence.* London: Jessica KingsleyPublishers.

Musicar, L., & Josefowitz, N. (1996). Flashback Phenomena In Survivors Of Childhood SexualAbuse: A Four-Stage Treatment Model. *Journal of Contemporary Psychotherapy, 26*(2), 177-191.

Sanderson, C. (2006). *Counselling Adult Survivors of Child Sexual Abuse.* London: JessicaKingsley Publishers.

Schelbe, L., & Geiger, J. (2017). *Intergenerational Transmission Of Child Maltreatment.* NewYork: Springer.

Wickham, R & West J, (2002), Therapeutic Work with Seụually Abused Children. Bulletin ofthe Transilvania University of Brasov. Series VII. Vol 12(61). No 2-2109 208 Londn: Sage Publication